# EZUMOHI N'OGE GBOO NA N'OGE UGBU A N'ALA IGBO

Regina O. Onwudiwe[1]
Department of Igbo, African & Communication Studies
Nnamdi Azikiwe University, Awka.
08036462958

Nonyelum J. Moghalu, PhD[2]
Department of Igbo, African & Communication Studies
Nnamdi Azikiwe University, Awka.
nj.moghalu@unizik.edu.ng

**Ụmịedemede**

Edemede nchọcha a lebara anya n'ezumohi dịka ọ dị n'oge gboo nakwa n'oge ugbu a. Akparamagwa ọjọọ dị iche iche nke ezumohi bụ otu n'ime ha jupụtara ebe niile ugbu a. Ezumohi pụtara mmadụ iwere ihe na-abụghị nke ya n'enwetaghị ikike n'aka onye nwe ihe ahụ. Ezumohi ebutegoro obodo anyị nsogbu dị iche iche dịka ọnwụ oge erughị eru nke ọtụtụ ndị mmadụ, ibukọrọ ihe na-enye ọkụ latrịrịkị, ịnapụ ndị mmadụ ụgbọ ala ha na ekwentị ha dgz. Ọ bụ nke a kpọlitere mmụọ ndị nchọcha n'ime nchọcha a. A chọrọ isite na nchọcha a gosipụta etu ndị Igbo si ahụta onye na-ezu ohi n'oge gboo nakwa n'oge ugbu a. Usoro ndị nchọcha gbasoro bụ usoro Sọvee, nke bụ isite na nhụtara ihe na-eme na gburugburu anyị nakwa ihe ndị ederela metụtara isiokwu a wee mee nchọcha a. Atụtụ e webatara bụ nke Mgbazi Akparamagwa. Atụtụ a bara uru na nchọcha a n'ihi na ọ dị mkpa ịchọpụta etu a ga-esi bido n'oge na-agbazi agwa ụmụaka nke ga-eme ka ha bido n'oge mata na izu ohi bụ ihe ọjọọ, na ọ bụghị ụzọ esi adị ndụ. E sitere na nchọcha a chọpụta na ihe na-ebute ezumohi bụ azụghị nwata nke ọma nakwa etinyeghị egwu Chineke na ndụ nwata. Nchọcha a baara onye ọbụla uru ọ kachasị ndị nne na nna n'ihi na ọ ga-egosipụta na ọ dị nnukwu mkpa ịkụnye ezi agwa na ndụ ụmụaka mgbe a na-azụlite ha maka na ha dịka ome ji nke a na-akpakwa nke ọma iji mee ka ha dị mma. Nchọcha a ga-enyekwa aka belata ọnwụ oge erughị eru ezumohi na-ebutere ọtụtụ ndị mmadụ n'ala Igbo ma n'ụwa niile. Ndị nchọcha na-atụ aro ka ndị nne na nna niile wepụta oge na-enye ụmụ ha ezigbo ọzụzụ ma kụnyekwa egwu Chineke na ndụ ha. Ihe ọzọ dị mkpa bụ ka ndị nne na nna na-akpa agwa dị mma nke ga-eme ha ezi ihe nlere anya. Site n'ịlere ha anya, ụmụ ha ga-enwe ezigbo omume.

**Ọkpụrụkpụ okwu:** Ezumohi, ala Igbo, oge gboo, oge ugbu a

## Okwu Mmalite

Ezumohi bụ arụ nke ọtụtụ obodo na asọ nsọ. Ọ bụ otu n'ime ajọ omume nke ezinaụlọ ọ bụla ọ batara na-enwe mwute makana ọ na-eweta nkọcha dị iche iche site n'aka ọhaneze. Izu ohi pụtara mmadụ ịwere ihe abụghị nke ya na nzuzo maọbụ n'ihe na-enwetaghị ikike n'aka onye nwe ihe ahụ. E nwekwara ike sị na ọ bụ mmadụ ịpụnahụ onye ọzọ ihe n'ike na-enwetaghị ikike n'aka onye nwe ihe ahụ, nke ebumnobi ya bụ ịweghara ihe ahụ na-enyeghachighị ya onye nwe ihe ahụ ihe ya. Nkọwa e nwetara n'ịntanet (2022) kwuru na ohi bụ ịweghara ihe onye ọzọ na-enwetaghị nkwenye maọbụ ikike.

Nchọcha a chọrọ ịgba n'anwụ ezumohi dịka ọdị n'oge gboo nakwa n'oge ugbu a. A chọkwara ịchọpụta mkpatara ajọ akparamagwa a bụ ezumohi site n'ihe dị iche iche ndị odee derela gbasara ezumohi nakwa site n'ihe na-emegasị na gburugburu anyị n'oge ugbu a nke mere ka ezumohi jupụtazie ebe niile. Omume ọbụla mmadụ na-eme nwere ihe kpatara ya. Omume mmadụ na-eme dị ụzọ abụọ; e nwere omume ọma maọbụ ezi akparamagwa na omume ọjọọ maọbụ ajọ akparamagwa. Omume ọma gụnyere mmadụ ịkwu eziokwu, irube isi, nwata ịkwanyere okenye ugwu na nsọpụrụ dgz. Na nkọwa Schofield (1980) gbasara ezi omume, o kwuru na ọ bụ "usoro ezi akparamagwa a họpụtara nke agbụrụ ọbụla na-eji esikwu omume nwata ọbụla a mụrụ n'agbụrụ ahụ". Schofield kwuru na obodo ọbụla nwere iwu ha ji echekwa ma na-agbazi akparamagwa onye ọbụla iji hụ na ọ bụ nke ọhanaeze nabatara ka ụmụaka ha na-agbaso. Omume ọjọọ gụnyere mmadụ ịzuohi, ịkwafu ọbara mmadụ, ịṅụ anwụrụ ike na ọgwụ ike, ịsị asị, ịnọ n'otu nzuzo, ịkpa ofogori, ịnupu isi, adịghị akwanyere ndị okenye ugwu na enyeghị ha nsọpụrụ dịịrị ha dgz. Ezumohi bụ otu n'ime omume ọjọọ nke ụfọdụ mmadụ na-eme.Tupu mmadụ emee

ihe ọ bụla, ọ ga-enwerịrị ihe kpalitere mmụọ onye ahụ ịme ihe ahụ.A chọpụtara na ihe na-ebute ezumohi bụ enyeghị ụmụaka ezigbo ọzụzụ nakwa akụnyeghị egwu Chineke na ndụ ha. Mgbe nke a mere, ụmụaka tolite, ọtụtụ omume ọjọọ dị iche iche dịka oke akpịrị, oke ọchịchọ, anya ukwu, anya ụfụ, ekworo, ụbịam, enweghị afọ ojuju n'oke ihe onye nwere, ntaji anya dgz na-ejupụta na ndụ ha n'ihi na ụmụaka na-aka amụta ihe ọjọọ ọsịsọ karịa ihe dị mma. Ọ bụzị etu ajọ omume bụ ezumohi siri juputazia na gburugburu anyị nakwa na mba niile gbara anyị gbụrụgbụrụ kpatara nchọcha a, n' ihi na ezumohi meziri ka ndị mmadụ na-achịzị obi ha n'aka mgbe ọbụla, ma n'ehihie ma n'abalị. Ndị mmadụ jizi otu anya arahụ ụra abalị n'ihi na ha amaghị mgbe onye ohi ga-abịa, onye na-aga njem n'ụtụtụ, n'ehihie maọbụ n'abalị na-achịkwa obi ya n'aka maka ndị ohi a jupụtara ebe niile ugbu a. Ndị ohi a naghị enwe obi ebere ebe mmadụ ibe ha nọ, Ha anaghị ele anya n'azụ were emesi ndị mmadụ ike. Ịmaatụ: Ndị ohi a ga-elecha nwaanyị dị ime anya gbụọ ya na nwa o bu n'afọ, nara ya akpa ya. Ha ga-abata n'ụlọ ndị okenye nọ, gwa ha madochaa afọ n'ala (n'ihi na ha chọrọ ịnakọrọ ha ego ha nwere n'ụlọ), ha nwekwara ike ịjide mmadụ n'ụzọ ma gwa ya ka o duru ha gaa n'ụlọ akụ ebe onye ahụ na-etinye ego. Ha nwere ike ruo ebe ahụ, chedo ya egbe n'ihu ma gwa ya ka o wepụtawara ha ego o nwere n'ụlọ akụ ahụ, ọ bụrụ na onye ha jidere e meghị ngwa ngwa, ndị ohi ahụ nwere ike gbara ya tọgbọ n'ala ma chọwa onye ọzọ dgz.

Ndị nchọcha a chọkwara ịchọpụtakwa ihe e nwere ike ime ka ajọ akparamaagwa a kwụsị n'ihi na ọ bụ mmadụ nwe ọgọdọ ewu na-ata. Ụmụaka bụ nchekwube ndị obodo ọ bụla nwere maka obodo ha ịgawanye n'ihu. Ọ bụrụ na ụmụaka nọ n'obodo abụrụ ndị mkpụrụ ajọ omume jupụtara na ndụ ha, obodo ahụ agaghị aga n'ihu n'ihi na ụmụ ụmụ ha niile ga abụzị ndị ajọ omume nke ga-ebute ịla n'iyi, nleda anya tinyekwara na mba ndị ọzọ ga na-asọ ha asọ, A gaghịkwa enwe ezi mmekọrịta n'etiti obodo ndị ohi na gburugburu ha. Udechukwu (2016: 186) kọwara na "nwata ọbụla a zụlitere nke ọma, ya bụ nwata a kpachapụrụ anya wee zụọ n'ụzọ agbụrụ a mụnyere ya na ya si azụlite ụmụaka ha, na-akpachapụ anya n'ụzọ o si ebi ndụ ya. Akparamaagwa nwata ahụ na-adị iche n'ebe ụmụaka a na-akpachapụghịrị anya wee zụọ nọ. Ọ ga-eji akparamaagwa ọma a zụnyere ya n'ime wee topụta mmadụ, nke na-agbazikwa omume ya mgbe ya na ndị mmadụ na-emekọrịta ihe. Nke a gosịrị na ọ bụ ihe ziri ezi na ezinaụlọ ọbụla ga na-azụlịte ụmụ ha nke ọma iji nweta ndị ga-abụ ezi ndị ndu n'ọdịnihu. Nwatakịrị a zụlitere nke ọma site n'ikuziri ya ezi agwa, na-eji ezi agwa ahụ etolite nke ga-eme na ọ ga abụ ihe ọṅụ mgbe ọ bụla ọ kpara agwa. Nke a na-eme ka e were aha otito wee na-akọ akụkọ nwata ahụ. Aha ndị a ndị Igbo ji ekwu okwu : "A fụ nwa e cheta nna" maọbụ "ome ka nna ya" kwesịrị ịbụ naanị aha 'otito' o kwesighị ịbụ iji tụnyere agwa ọjọọ.

Ọ bụ eziokwu na o nweela isiokwu ndi e derela yitere isiokwu nchọcha a, mana ndị nchọcha chọpụtara na isiokwu ndị ahụ akpọtụghị ụkwụ n'isiokwu nchọcha a kpọmkwem.. Olile anya bụ ka ndị mmadụ nwee mmasị ịgụ akwụkwọ nchọcha a ma nwekwa agụụ imewanye nchọcha banyere ihe metutara isiokwu nchọcha a, Ụmụaka ga-esitekwa na nchọcha a, gbanwee ajọ omume dị iche iche ha na-eme, mewe ezi omume tinyekwara ịnwe egwu Chineke n'ihe ọbụla ha na-eme na ndụ ha. Ha ga-ahụrịtakwa onwe ha n'anya n'ihi na onye hụrụ mmadụ n'anya agaghị eme ya ihe ọjọọ.

## Nnyocha Agụmagụ

### Ezumohi

Ezumohi pụtara mmadụ ịwere ihe abụghị nke ya n'ihe maọbụ na nzuzo n'anataghị ikike n'aka onye nwe ihe ahụ. E nwekwara ike sị na ezumohi pụtara mmadụ ịnara onye ọzọ ihe ya n'ike n'ihe maọbụ na nzụzọ n'enwetaghị nkwenye n'aka onye nwe ihe ahụ. Ezumohi dị n'ụdị n'ụdị. O nwere ike ịbụ ịma mmadụ aka akpa, were ihe onye ahụ tinyere n'akpa ya, ịpụnahụ mmadụ ihe ya n'ike, iji egbe jee ohi n'ehihie maọbụ n'abalị, mmadụ ịme aka ntụtụ, ịgwu mmadụ wayo dgz. Ogbuagu na ndị otu ya (2012:35) kọwara na izu ohi bụ otu n'ime omume ọjọọ nke bụ arụ n'ihu mmadụ, n'ihu ala na n'ihu Chukwu. Ohi bụ arụ nke bụ ajọ akparamaagwa megidere ala na ndịichie nke naanị ntaramaahụhụ ya bụ ọnwụ. Ha gakwara n'ihu kwue na n'agbanyeghị ọnwụ dịịrị onye mere arụ a, na ụmụnna ya, obodo ya maọbụ ogbe ya anabaghị rahụ n'ihi na ha ga-akpụrịrị arụ ahụ dịka ọ dị n'obodo dị iche iche. Nke a ga-eme ka obodo ha dum ghara ikpochapụ n'elu ụwa.

Gotter (2017) kọwara ezumohi dịka agwa mmadụ kpara site n'ịnara onye ọzọ ihe ya n'anataghị ikeke. Ọ kọwara na n'agbanyeghị na izu ohi nwere ike isite n'ajọ akparamagwa na o nwekwara ike ịbụ site n'omume dị n'ime mmadụ nke onye ahụ n'enweghị ike ijidenwu onwe ya iji gbochie omume ọjọọ a

mgbe ọ na-akwa ya aka, na-enu ya enu ka ya jee zuru ihe nke nwere ike bụrụ ihe ya onwe ya ga-azụtanwuru onwe ya na-ezughị ya ezu. Ọ gara n'ihu nye ọmụmaatụ ihe nwere ike ịkpata ezumohi dịka nke a kpọrọ na bekee *"Kleptomania"* Kilepitomanịa bụ nke na-esite n'akulu mmadụ. Ọ dị ka ọrịa nke sitere n'uche mmadụ. Ụdị agwa a bụ nke na-enu mmadụ enu, kwakanyere ya izute ihe ọ bụla nke nwere ike ọ bụrụ ihe onye ahụ agaghị eji mee ihe ọ bụla maọbụkwanụ ihe onye ahụ karịrị, mana mgbe ihe a ga na-enu ya ka o jee zuru ihe ahụ ọ gaghị ahụta ya ka ihe enweghị ihe ọ bụ ruo na o zutechaa ihe ahụ. Onye ụdị agwa a dị n'ime ya anaghịkwa ama ihe ọ na-eme ruo na o mechaa ya mgbe ahụ o wutebe ya maka ajọ ihe ahụ o mere. Ụdị ndị a na-ezu ohi ahụ sọ naanị ha mana n'ụdị ohi ndị ọzọ, otu onye nwere ike ije ohi maọbụ mmadụ abụọ maọbụ karịa. Ka o sila dị, a ga-achọpụta na ezumohi bụ ihe ọjọọ nke obodo ọbụla chọrọ ọganiru ga-eme ihe ọbụla ha nwere ike ime wee kwụsị ya n'ihi na ọ na-ebute nsogbu dịiche iche nke na-eme ka obodo ghara ịga n'ihu. Ọmụmaatụ, n'ala anyị bụ Naijirịa, ezumohi ebutela ọnwụ ọtụtụ mmadụ. Ezumohi na-ebutekwa ịla akụnụba dị iche iche n'iyi. Ọ dị nnukwu mkpa ka ndị nne na nna wepụta oge na-enye ụmụaka ha ezigbo ọzụzụ. Nchọcha e mere maka edemede a gosịrị na ọ bụ enyeghị ụmụaka ezigbo ọzụzụ mgbe ha na-etolite bụ isi ihe na-ebute ezumohi. Ụmụaka a zụghị azụ na-eme ihe masịrị ha oge ọ masịrị ha. Ụmụaka e nyghị ezigbo ọzụzụ; ndị agụghịkwu akwụkwọ mgbe ha tolitere, ha ga-ezute mkpa dị iche iche dịka ọ na-adịrị onye ọbụla. Naanị ụzọ ha ga-achọpụta isi gboo mkpa ha bụ izu ohi n'ogo ogo ya dị iche iche ka ha wee gboo ọtụtụ mkpa ha.

E lezie anya, a ga-ahụ na ọ bụ nke a ka ezumohi jiri bụrụzi ozulumba ugbu a. Ụmụaka ndị niile enweghị ezigbo ọzụzụ enweghị ike ịnọrọ n'okpuru mmadụ iji mụta akaọrụ ha ga-eji dị ezi ndụ. Ọ bụ ya mere na ọtụtụ ụmụaka dị otu a gbababachara n'ịnya obele ụgbọala a na-akpọ "Keke na Pepe". Ọtụtụ n'ime ha bụcha ndị ohi n'ogo ogo dị iche iche. Nke a bụnọọ nsogbu cheere obodo anyị aka mgba, ọ kachasị ndị Igbo.

**Ezumohi n'Oge Gboo**

A bịa n'oge gboo, ọ bụghị etu e si ezu ohi ugbu a ka e si ezu ohi. N'oge gboo, ndị n'ezu ohi abaghị ụba n'ihi na mgbe ahụ ndị mmadụ na-atụ egwu ma nwekwaa nsọpụrụ n'ebe ndị okenye nọ. Ụjọ ihe a ga-eme mmadụ ma o zuo ohi na-eme ka ọtụtụ ndị mmadụ chechaa maka izu ohi, ha agaghị enwe obi ije ohi ahụ. N'oge gboo, onye ohi na ezu ohi, egwu maka mmadụ ijide ya a na-atụ ya. Ọ na-ezu ohi, ọ na-eme ọsọ ọsọ ka mmadụ ghara ịhụ ya. Onye na-ezu ohi nụ mkpatụ mmadụ ọ gbafuo, hapụ ihe o zutere.

Ọ na-abụkarị n'oge abalị ka ndị ohi ji ezu ohi maọbụ mgbe ndị mmadụ gasịrị ọrụ ugbo, mgbe naanị ụmụaka na-anọ n'ezinaụlọ. Ọ bụ oge dị etu a ka ndị ohi na ejikarị eje ohi. Ndị ohi na-ejekwa ohi n'ubi ji maọbụ n'ugbo akpụ mmadụ ezu ohi.

Ụdị ihe ndị ohi na-ezu oge ahụ dịkwa iche n'ụdị ihe a na-ezu n'oge ugbu a. Ọ na-abụkarị ohi nri dịka ohi ji, ede, akpụ nakwa nri ndị ọzọ. Ụdị ohi a na-abụkarị agụụ na-akpata ya. Ebe a na-ezukarị ohi ndị a bụ n'ọba ji mmadụ, n'ubi ji maọbụ n'ugbo akpụ mmadụ nakwa n'ụsọekwu mmadụ. Ndị ohi na-ejekwa n'ebe mmadụ manyere ewu maọbụ atụrụ ka ọ taa nri, kpụrụ ya nke na onye nwe ya pụtazie ka ọ kpụbaa ewu ya, ọ chọwazie ya achọwa. Oge ahụ a na-ejekwa na be mmadụ nwụrụ ọkụkọ ya, jee kpụrụ ewu maọbụ atụrụ ya n'ohi

N'oge gboo, e nwere etu e si ata onye zuru ohi ahụhụ nke na-eso eme ka ndị ohi ghara ịba ụba n'ihi na ụfọdụ hụchaa ebe a tara onye zuru ohi ahụhụ, egwu agaghị ekwe ha jee ohi. ọmụmaatụ; Onye zuru ohi ewu maọbụ atụrụ, a na-ewere ihe ahụ o zutere kenye ya eriri werezie eriri ahụ manye onye ahụ zuru ohi n'ukwu wee kụrụ egwu ohi na-eso onye ahụ n'azụ. Mgbe ụfọdụ, a na-emekwa ka onye ohi ahụ na-agba egwu ahụ. A ga-akpụrụ onye ahụ zuru ohi gagharịa n'ime obodo ha maọbụ duru ya wagharịa n'ime ahịa ma ọ bụrụ ụbọchị ahịa. Ọ bụrụ ohi ji ka onye ahụ jere, a na-ewere ji ahụ kenye ya n'olu ma mekwaa ya otu ihe ahụ. Ụdị ntaramahụhụ a na-eme ka ndị mmadụ na-atụ egwu ije ohi n'oge gboo, ọ dịghịzị otu ahụ ugbu a.

Onye zuru ohi n'oge gboo, a kpụgharichaa ya n'obodo ma egwu ohi a na-agụrụ ya, oge ụfọdụ a na-etikwa onye zuru ohi ihe nke na-eme na mgbe ụfọdụ, onye ahụ mechaa lọta be ya, ahụ ebido rịaba ya. Ihere agaghịzi ekwe onye ahụ zukwaa ohi. Ndị ezinaụlọ onye ahụ zuru ohi agaghị enwe ọnụ okwu n'ọgbakọ ọhaneze n'ihi na ọ bụ nnukwu ihe ihere ịkpọ mmadụ onye ohi n'ọha obodo.

N’oge gboo, ndị mmadụ na-agwọkwa ọgwụ iji chekwaba akụ ha maka ndị ohi. Mmadụ nwere ike gwọta ọgwụ debe n’ubi ya, ọba ji maọbụkwanụ n’ụlọ ya nke ga-eme ka ndị ohi na-atụ egwu ije ohi ebe ahụ. Ọgwụ ahụ nwere ike bụrụ onye ohi bịa, o jide ya na ọ gaghị enwe ike ịpụ ruo na onye nwe ihe apụta wee tọghapụ onye ahụ ma taa ya ahụhụ a na-ata onye zuru ohi.. N’otu aka ahụkwa, onye ohi na-agwọkwa ọgwụ nke ga-eme na o jee ohi agaghị ejide ya.

**Ezumohi n’Oge Ugbu a**

N’oge ugbu a, egwu adaghariala, etu e si ezu ohi agbanweela. Ndị na-ezu ohi bakwazịrị ụba, egwu anaghịkwa atụ ndị ohi nke ha ji enwe nsọpụrụ n’ebe ndị okenye nọ. Mgbe gboo, onye ohi na-ezu ohi, ọ na- eme ọsọ ọsọ na-ezokwa ezo ka a ghara ijide ya, mana n’oge ugbu a, onye ohi na-ezu ohi, egwu ana-atu onye nwe ihe onye ohi na-ezu n’ihi ụdịrị ngwa ọgụ ha na-eji eje ohi dịka egbe, mma, daga na ụdịrị ngwa ọgụ ndị ọzọ dị iche iche nke ha ji agbawa ọnụ ụzọ ndị mmadụ maọbụ were ya merụọ mmadụ ahụ. N’oge ugbu a, onye ohi ga-abịa n’ụlọ mmadụ kụọrọ onye nwe ụlọ aka n’ọnụ ụzọ ka onye nwe ụlọ kpọgheere ya ụzọ maọbụ o were ngwa ọgụ o ji gbakaa ụzọ banye n’ime ụlọ. Ọ bụzi onye maọbụ ndị bi n’ụlọ na atụzi egwu ndị ohi maka ndụ ha n’ihi na ha megharịa ahụ n’ụdị iti mkpu maọbụ iluso onye ohi ọgụ, o ewere egbe maọbụ ngwa ọgụ ndị ọzọ meruo onye ahụ ahụ maọbụ gbuo onye ahụ, ọ bụghị etu a ka ọ dị n’oge gboo.

N’oge ugbu a, ezumohi nke e nwere ike ịhụta n’ụzọ dị iche iche dịka ụmụaka ịtụtụ ego nne na nna ha n’ụlọ, mmadụ ịpụnarị mmadụ ibe ya ihe n’ike nke onye ohi ahụ n’ebughị n’obi ịnyeghachi onye nwe ihe ahụ ihe ya; mmadụ ịji egbe nara mmadụ ibe ya ihe ya n’ike; mmadụ ịji abalị maọbụ ehihe jee ohi be mmadụ ibe ya nke nwere ike ịbụ izuru ego maọbụ ihe ọzọ, ịkwakọrọ akụnaụba mmadụ ibe ya. Onye ohi ahụ nwekwara ike ịgbagbu onye ọ na-ezu ohi. Ndị nchọcha chọpụtara na enyeghị ụmụaka ezigbo ọzụzụ bụ isi sekpụ ntị n’ihe na-akpata ndị mmadụ izu ohi n’oge ugbu a. Ụmụaka enweghị ezigbo ọzụzụ, ihe ọjọọ dị iche iche na-ejupụta na ndụ ha nke gụnyere oke akpịrị, anya ukwu, oke ọchịchọ, ekworo, enweghị afọ ojuju n’oke ihe onye nwere, enweghị egwu Chineke dgz. Mgbe ihe ọjọọ niile dị na ndụ ụmụaka. Mgbe ha tolitere, ihe ndị a ga-edunye mmadụ dị etu a n’ezumohi.

Na nkọwa Ani (2022), ịga n’ihu ezumohi na-aga n’obodo anyị a bụ Naijirịa na-adịzị ka ọrịa bịakwutere onye ọbụla. O kwuru na ụta dịịrị ụbịam ọtụtụ mmadụ dara nakwa oke ogologo nkewa dị n’etiti ndị nwere ego na ndị ogbenye n’ala anyị, nke a na-ebute ajọ omume dị iche iche ọ kachasị ịjị egbe ezu ohi. Ọ gara n’ihu kwue na ka ọ dị n’obodo anyị ugbu a, na ọ dịghịzị ebe mmadụ nwere ezumike, obi erughị mmadụ ala n’ihi na ndị ohi na-ezu ohi ma n’ụlọ ndị madụ, ụlọ ọrụ, ebe a na-azụ ahịa, ụlọ ọba ego, ụlọ oriri na ọṅụṅụ, ụlọ ụka dgz. Ndị ohi na-abagidekwa ụmụnwaanyị n’ike, ha na-egbukwa ndị mmadụ nakwa mpụ dị iche iche ha na-eme iji hụ na ha zuuru ihe ha na-achọ. Mgbe ụfọdụ ndị ohi na-aga n’ụlọ ahịa na-ere mmanụ ụgbọala ma zuo ndị mmadụ kwụ n’ahịrị ịgbata mmanụ ụgbọala ohi. Ani kwukwara na etu nchekwa obodo siri laa azụ n’obodo anyị ugbu a mere na ndị ohi enweghịzị mgbe ha ji ezu, Ha na-ezu n’abalị, ụtụtụ nakwazi n’ehihie. Ọ gara n’ihu kwuo na ndị njem agbanahụghịkwa ndị ohi n’ihi na ha na-akwụsịkwa ụgbọala n’okporoụzọ awalawala ma zuo ndị na-eme njem ohi, Otu a ka ọ dịkwa ndị ji ụkwụ ha aga njem. O kwuru na ndị ohi a na-ezucha, zukwuo ma ndị ọchịchị na ndị nche ha ma gbuo maọbụ gbaa ụgbọala ha ji aga ọkụ. N’okwu ya, ezumohi tinyere ajọ omume ndị ọzọ ebuterela ala anyị bụ Naijirịa ajọ aha. Ụmụaka ụfọdụ na-amụta izu ohi dịka ịtụtụ ụmụ obere ego nne na nna ha debere n’ụlọ were ya gaa ụlọ akwụkwọ wee na-eri ihe ahịa ma nne ya na nna ha agaghị ama. Ụmụaka nwekwara ike zuru ihe nwata akwụkwọ ibe ha lọta n’ụlọ ma nne na nna ụfọdụ agaghị ekwu ihe ọbụla iji kuziere nwata ahụ na omume ahụ adịghị mma.

Ọtụtụ nne na nna anaghị enwe efe ịtinye anya n’ihe ụmụ ha na-eme, nke meziri izu ohi jiri na-abawanye. Ntaramahụhụ a na-enye onye zuru ohi n’oge ugbu a dịkwa iche n’etu ọ dị n’oge gboo. Ụgbu a, onye zuo ohi, e nwere ike tụọ onye ahụ nga maọbụ gbaa ya ọkụ, oge ụfọdụ kwa, ndị mmadụ na-ejikwa iwe kugbuo onye ahụ zuru ohi.

Ụdị ezumohi dị iche iche na-abawanye kwa ụbọchị. Ekwentị so n’otu n’ime tekinụzụ e wepụtara n’oge a bara uru, mana ndị ohi werezirie ya ugbu a ezu ndị mmadụ ụdị ohi dị iche iche. Ha na-ezukwu ekwentị, nke bụ na I jide nke gị n’aka, onye ohi nwere ike pụrụ gị ya ebe ị na-aga n’ụzọ. Otu nwoke bi n’Ọka, na-arụ ọrụ n’ụlọakụ kọrọ akụkọ otu ya siri gaa Ọnịcha wee zute ihe tụrụ ya egwu. Mgbe ọ na-

alọghachite Ọka, ọ banyere moto ma wepụta ekwentị ya na-agbakọ ihe ọ zụrụ ụbọbochị ahụ. Na mberede, otu nwata nwoke bịakwutere ya site ugegbe ụgbọala ahụ ọ nọ na ya sị ya, "Ọsịsọ ọsịsọ, weta foonu ahụ ma ị mara na ndụ gị dị gị mkpa". Nwoke a na-arụ ọrụ n'ụlọ akụ sị na ya legharịrị anya, ya amaghị ihe ga-eme ya wee nye onye ohi ahụ ekwentị ya. Nwoke a sịrị n'ụbọchị ahụ na Naijirịa dị ya ka Ghana, Na ọnụ ya ekweghị ya ekwu okwu ganye na ya erute Ọka.

Dịka ọ dị, ụdị ohi kacha njọ n'oge ugbu a bụ nke ịtọrọ mmadụ maọbụ ndị mmadụ jee zoo (*kidnapping*) ma gazie n'ihu na-akpọzi nde kwuru nde Naira ndị nwe onye maọbụ ndị a tọọrọ ga-eweta tupu a hapụ onye maọbụ ndị a tọọrọ. N'ezie, ụdị ohi a gbagotere. Ego a na-akpọ anaghị abụ obele ego. Nke a ga-emezị ka ndị nwe onye maọbụ ndị a tọọrọ wagharịwa ma n'ọhịa ma n'ụzọ ebe ha na-achọkọta okpokpo nde kwuru nde Naira ndị ohi a na-akpọ. Nke kacha njọ bụ na oge ụfọdụ a kwụchaa nnukwu ego a, ndị ohi a, agaa n'ihu gbagbuo onye maọbụ ndị ha tọọrọ.
Ya mere na e leruo anya nke ọma, a ga-achọpụta na ụdị ezumohi nke oge ugbu a bụ nnukwu nsogbu nke cheere obodo anyị aka mgba. Ụdị ezumohi oge ugbu a ebutela ọnwụ oge erughị eru nke ọtụtụ mmadụ kwesịrị iwetara anyị ọganịhu. Nke a gosịrị na ezumohi oge ugbu a na-eme ka Naijirịa, ọ kachasị ala Igbo ghara ịganihu.

**Mkpatara Ezumohi**
A chọpụtara na ihe na-ebute ezumohi bụ enyeghị nwata ezigbo ọzụzụ na a kụnyeghị egwu Chineke nke ga-ebutezị ihe ọjọọ ndị bụ oke akpịrị, anya ukwu, oke ọchịchọ, anya ụfụ, ụbịam, ekworo, enweghị afọ ojuju n'oke ihe onye nwere, ntaji anya, mmadụ ịda ogbenye, iji too ọgbọ, ime ịmakwa ndị anyị bụ dgz. Azụghị nwata nke ọma nakwa etinyeghị egwu Chineke na ndụ nwata ga-eme ka nwata ahụ ghara ịdị na-atụ egwu maka ntaramahụhụ ga-adapụta ma o mee omume dị njọ dịka izu ohi, ịsị asị, ịnupu isi. Oke ọchịchọ maọbụ anya ụfụ nwekwara ike ibute ajọ agwa bụ ezumohi n'ihi na mgbe nwatakịrị malitere nwebe mmasị n'ihe ọ na-enweghị maọbụ ihe ọ maara na ọ gaghị egotenwu, echiche izute ihe ahụ n'ohi ga-ebido bataba ya n'uche nke ga-eme ya ka ọ gaa zuru ihe ahụ n'ohi. Agụụ bụkwa ihe ọzọ nwere ike idubanye mmadụ n'izu ohi iji nweta ihe ọ ga-eri, Ndị ntorobịa ugbu a jikwazị ezumohi eto okorobịa ma were ya na-eme ịmakwa ndị anyị bụ n'ihi na ọ bụ ego na-achịzị ugbu a. Ọ bụ onye ji igu ka ewu na-eso, n'otụ aka ahụ, ọ bụ onye ji ego ka ndị ụwa ugbu a na-eso. Ha achọghịzị ịmata ebe maọbụ etu onye ahụ siri kpata ego ya nke a na-eme na ọ kachasị ndị ntorobị a ugbu a na-enwe mmasị n'izu ohi, Ụfọdụ n'ime ha jizikwu ezumohi mere aka ọrụ n'ihi egwu a na-atụ maọbụ ugwu a na-akwanyere onye ohi nke na-ekwesịghị dgz.

**Ụzọ Aga-Esi Gbochie Ma ọ bụ Belata Ezumohi gụnyere ndị a**
i. Mbọ mbụ kwesịrị ka a gbaa iji belata maọbụ kwụsị ezumohi bụ ịlebawanye anya n'ụzọ e si azụlite ụmụaka n'ezinaụlọ ọbụla n'ihi na ọ bụrụ na a gbakọọ aka kwọba ya bụ mmiri ka ọ dị n'obo ọkpa, ọ ga-ekwe ọkwụkwọ.
ii. Ndị nne na nna, ọ kachasị ndị nne kwesịrị ịwepụta oge lenyewere omume ụmụaka ha na-akpa anya iji wee mata ụzọ dị iche iche ha ga-esi gbaziere ha nke ọbụla n'ime ụmụaka ha n'ihi na nwatakịrị ọbụla nwere omume o bụ pụta ụwa tinyere nke ọ ga-amụta n'aka ndị nlere anya ya.
iii. Ndị nne na nna kwesịrị ịdị na-eme ezigbo omume, ọ kachasị n'ihu ụmụaka ha n'ihi na ụmụaka na-ele ha anya ma na-amụtakwa ihe ha hụrụ ha na-eme, ọ kachasị n'ebe ajọ omume izu ohi, ịsị asị, atụghị egwu Chineke nakwa ihe ndị ọzọ ga-eso dubanye ụmụaka n'ajọ akparamagwa.
iv. E kwesịrị ikuziri ụmụaka ikwu eziokwu mgbe ọbụla., ọ kachasị mgbe ha kpara agwa ọjọọ dịka izu ohi. Nke a ga-eme ka nne na nna mara mgbe nwatakịrị mere ihe na mgbe ọ meghị.
v. Ndị nne na nna kwesịrị ịdị na-edebbe ihe nke ọma ọ kachasị ego n'ihi na mgbe ụmụaka na-ahụ ka ego si aghasacha ebe niile, ọ nwere ike ịdubanye ha n'ibido tụtụba ego iji goro ihe ahịa nke bụ na ọ bụrụ na e gbochighị ya, nwatakịrị ahụ ebido nwewe mmasị n'izu ohi.
vi. Ndị nne na nna kwesịrị ịma ebe ụmụ ha nọ na ihe ha na-eme nakwa ndị ha na ụmụaka ha na- emekọ ihe. Ya bụ ndị enyi ha nakwa ka ha si eme n'ụlọ akwụkwọ. Mgbe ụfọdụ, ụmụaka na- ewere ihe nwatakịrị ọzọ lọta n'ụlọ ha. Ndị nne kwesịrị ileru anya mara mgbe nwa ha ji ihe na-abụghị nke ya wee lọta n'ụlọ ka ọ gbaziere ya na ọ bụ agwa ọjọọ.

**Nchịkọta**

Site na nchọcha e mere, a chọpụtara na ezumohi so na nnukwu nsogbu obodo anyị nwere n'oge ugbu a. A chọpụtara na ihe na-ebute ezumohi bụ enyeghị ụmụaka ezigbo ọzụzụ na etinyeghị egwu Chineke na ndụ ha. A chọpụtakwara na e nweela ọtụtụ mgbanwe site n'ụdị ohi a na-ezu na etu e si ezu ma n'ebe a na-ezu ya n'oge gboo nakwa ụdị a na-ezuzi ugbu a nakwa etu esi ezu ya. N'oge gboo, ụdị ihe a na-ezu n'ohi bụ ihe ndị dị ka ụmụanụmanụ dịka ọkụkọ, ewu, atụrụ, ebulu, nri a na-eri eri dịka ji, ede, akpụ dgz. N'oge ahụ, ohi, nke ndị na-ezu ya oge ahụ dị ole na ole na-ejikarị abalị eje ohi ma na-ezo ezo wee bata n'ụlọ mmadụ wee zuo ohi. Onye ohi na-ezu nụ mkpatụ onye nwe ụlọ, ọ gbafuo na-atụ egwu maka ijide ya. n'ihi na ndị ohi n'oge gboo na-atụ egwu. Ụfọdụ na-eje gwọrọ ọgwụ wee jebe ka a ghara ijide ya.

N'aka nke ọzọ, n'oge ugbu a, ezumohi aghọọla ihe ọzọ. E nweela ọtụtụ mgbanwe ma n'ụdị ihe a na-ezu, etu e si ezu nakwa oge e ji ezu ohi. Ihe ndị a na-ezu ugbu a gụnyere ego, ụgbọala, mmadụ, ekwentị, ọgba tum tum, igwe ọkụ latịrịkị dgz nke a ga-esi na ya nweta nnukwu ego. gbu a, ndị ohi anaghị ezo ezo maka na ha na-ebu egbe n'ụdị dị iche iche n'ihi na ha na-adị njikere igbu ndị mmadụ wee were ihe ha chọrọ. Ugbu a, a na-eje ohi ebe niile ma n'ụlọ ụka ma gbuo Ụkọchukwu. N'ezie ọ dị mkpa na-aga agba mbọ chọpụta ihe a ga-eme iji gbochie maọbụ belata ụdị ezumohi oge ugbu a jọgburu onwe ya na njọ, nke butegoro ọnwụ ọtụtụ ndị mmadụ. Ndị nchọcha tụtara aro ka ndị nne na nna jisie ike wepụta oge na-enye ụmụaka ha ezigbo ọzụzụ. Ha chọpụtakwara na ọ dị mkpa ndị nne na nna ịkpa ezigbo agwa ka ha wee bụụrụ ụmụ ha ezi ihe nlere anya n'ihe gbasara ịkpa ezigbo agwa nke ga-enye aka n'iwulite obodo anyị ọ kachasị ala Igbo.

**Edensibịa**


Ogbuagu J.O, Udemmadu T. N. na Anedo A. O (2012). *Ntọala Ọmụmụ Agụmagụ Na Omenala Igbo*: John Jacob's Classic Publisher's Ltd

Okonkwo M.N. (1974). A Complete Course in Igbo Grammar for Scondary Schools and Teacher Training Colleges

Akpulu E. O. (2020: 81). Ịkpọlite Ezi Akparamagwa na Usoro Obibi Ndụ Ndị Igbo: *Odezuruigbo* (*An International Jọnal of Igbo, African & Asian Studies*: vol 4, No.1,(2020)

Heather W. (2021).*An Introduction to Kant's Moral Theory.* Ohi in Igbo-English Dictionary (2022), App.globe.com:

Kohlberg (2021), *Kohlberg's Theory of Moral Development*

Gregory E. A. (2009). Igbo Issues: Values, Chi, Akalaka, Ikenga, Magic, Agwu and Manipulation of Divinities

Merriam-Webtster (2022), *Theory Definition and Meaning*

Kurt Lewin (1958), *Definition of Theory*

Njoku Divine Ngwang (2019), *Literary Theory, Theory and Criticism*

Ikenna I. U na Anizoba M .C. "The Decalogue and Igbo Traditional Ethics: Essential Values for Community Building" http://dx.doi./org/10.4314/ujah.v18i2.15:

Uzoigwe A. M "*Towards Inculcating Morality among the Youths in Nigeria:'*'The Holy Family Youth Village Example:(UJAH 2013: .161:vol.14, No. 1)

Okafor J.C na Ejioforbiri C. A. (2020), "Igba n'Iro na Mmetọ Ugwu Nwaanyị n'Akwụkwọ ndị a Họọrọ" *Odezuruigbo*; Jọnal Ozuru Ụwa, nke Amụmamụ Igbo, Afịrịka na Eshia; vol. 4, No. 1:

What is Qualitative Research?/Methods & Exampleshttps://www.scribbr .com (2020),

Ani C. C. (2022), *Armed Robbery and National Security*

Cynia (2021) Top 10 Reasons Why Do Kids Steal?

Gerald O. Nweya (2020) Introduction to the History of Igbo People (mkpọlite na akụkọ ala Igbo)